# ÉRÈRÈ JOSEF GAA IJIPT

## Jenesis 37:1-36

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 33 -- Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Site na Gi ka ayi gāsọtu ndi nākpagbu ayi: site n'aha-Gi ka ayi gāzọkwasi ndi nēbili imegide ayi ukwu" (Abù Ọma 44:5).**

**I Nwaokorọbị a ahụ Bụ́ Josef, Nwa Jekob nke Ọ Hụrụ N'anya Karị a**

1. Josef, nwa Rechel, bụ nwa nke nna-ya hụrụ n'anya karịsịa, Jenesis 37: 1-3; 30:22-24; 33:2
2. Mmeso nke ịkpáókè nke Jekob wetaara iro na obi ọjọọ n'etiti Josef na ụmụnne ya, Jenesis 37:4

**II Nrọ Josef na Ịkpọasị nke O Wetaara**

3. Ọ rọrọ nrọ na ùkwùọka niile nke ụmụnne ya naakpọ isiala nye ùkwùọkà nke ya, Jenesis 37:5-8
4. Ọ rọrọ nrọ na kpakpando irinaotù, tinyere anyanwụ na ọnwa naakpọ isiala nye ya, Jenesis 37:9, 10
5. Nrọ ahụ niile mere ka ụmụnne ya kpọọ ya asị ma kwosoo Josef ekworo, nna ya naabakwara ya mbà, ma were ịhụn'anya nke nna nwee mmasị n'ebe ọ nọ, Jenesis 37:5, 8, 10,11

**III Mmalite Nke Mmebi Iwu na Ime Ya Eme**

6. Josef bụ nwa na erubeisi mgbe nile, Jenesis 37:12-17
7. Ụmụnne ya gbara izùọjọọ megide ya, ma Reuben, nke bụ́ ọkpara gbochiri ha ka o wee napụta ndụ ya, Jenesis 37:18-22
8. Erere Josef dịka orù náemeghị ka Reuben mara maọbụ kwenye, Jenesis 37: 23-28
9. O wutara Reuben mgbe ọ naapụghị ịchọta Josef nime olùlù ahụ, Jenesis 37:29,30
10. Ụmụnne ya ghọgburu nna ha ma wetara ya nwuta dị ukwuu, Jenesis 37:31-36

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Ugbu a anyị na amalite iheọ̀mụ̀mụ̀ banyere ndụ nke Josef, nwa nke irinaotù nke Jekob, nwanwoke mbụ nke Rechel. Ihekwesịrị nñomi nke dị nime ndụ Josef bụ na ọ bụ otù nime ndị ekwuru ihe niile banyere ndụ ha n' òzùzùókè nime Baịbụl nke náenweghị ihe ịtaụta ọ bụla nke ahụtara na ya. O nwere omume dị mma nke náenweghị ihe ịsụngọngọ ná mmekọrịta ya na ndịọzọ, náagbanyeghị inwe mmasị nke nna ya nwere n'ebe ọ nọ nke pụrụ imebi ọbụná nwantakịrị ra otú ahụ. Anyị pụrụ ikwu n'ọtụtụ ụzọ na ọ bụ oyiri Kraist.

Ụmụ ndịkom niile nke Jekob, ndị gaje ịbụ nna nke agbụrụ niile nke mba ahụ bụ́ Israel, soro nna ha biri na ndagwurugwu Hebron. Ebe ọ bụrị Rechel ka Jekob buru ụzọ rọrọ mgbe o kwere ịlụrụ Leban ọlụ arọ asaa na ịnata ụgwọọlụ site n'inye ya nwunye, dịka n'anụarụ ụmụ ya kwesịrị ịbụ ndị agaahụ́ n'anya karịsịa n'èzínaulo ahụ (Jenesis 29:18).

Ewezuga Benjamin, ụmụndịkom ahụ niile ka amụru n'ala Heran mgbe Jekob naalụrụ ọgọ ya ọlụ. Benjamin, nke dịkarịsịrị ntà ma bụrụ kwa nwa Rechel, ka amụrụ mgbe èzínaulo ahụ nọ n'ijè isite na Heran bịarue Kenean. Rechel nwụrụ mgbe amụrụ Benjamin, n'ihi nke a ụmụ ya ndịkom abụọ bụ ndị nna ha hụrụ n'anya nke ukwuu. Ha bụ náánị ihe dị ndụ Jekob nwere iji cheta Rechel, onye ọ hụrụ n'anya nke ukwuu (Jenesis 37:3).

Ụmụ ndịkom Bilha bụ Dan na Naftali, ma ndị nke Zilpa bụ Gad na Asa, Josef na mmadụ anọ ndịa naanọ karị ụmụnne ya ndịọzọ. N'ihi na Jekob na ege karị Josef ntị, ọ na ewetakwara ya akụkọ omumeọjọọ nke ụmụnne ya anọ ndịa ka nna ya wee nụ ha, n'ezie, nke a kpatara ụmụnne ya ndịkom ịhụahụhụ n'ihi omume ọjọọ ha. Dịka ihe anaahụanya si dị nke a wetara ụmụnne ya inwe uche ọjọọ n'ebe Josef nọ wee bụrụ kwa ihe náanọgide n'obi nke anụarụ náachị nke ụmụnne ya anọ ahụ.

Ihe izendụ naadi mgbe niile ndị bụ nnenanna náegosi ịhụn'anya pụrụ iche n'ebe otù nwa ha dị nime èzínaụlọ. Ewetaworo ọtụtụ ụmụntakịrị ahụhụ site na nne maọbụ nna ịgbaba nime omume dị otú a. Ọ bụghị ihe dị mfé ịbụ nnenanna zuruókè ndị náeme kwa ihe ziriezi ịzụlite ndị ahụ Chineke nyere anyị n'aka ilekọta; ma mmeso nke ịkpáókè n'ebe otù maọbụ abụọ nọ náagụghị ihe ọ naefu ndịọzọ bi n'ụlọ ahụ aghaghị ịbụ ihe anaelezianya nkeọma na ọ dịghị ihe dị otú a site n'alaala obi onye ọ bụla.

Jekob kwesịrị ịmata ebe ịkpáókè a gaeduru. Ọ bụrụwo kwa nwa nke anaahụzighị n'anya n'ụlọ nna ya, inwe mmasị kachasị ukwuu bụ́ nke Aisak gosipụtara n'ebe Isọ nọ, bụ́ nwa ya nke okenye nime ụmụ ejima ya. N'ihi ọnọdụ ya nke dị ala n'èzínaụlọ ahụ na ọchịchọ ya inwe ngọzi nke dị ukwuu karị nke ruuru ya, o jiri aghụghọ wee nata ngọzi ahụ nke dị ya ezimma. Dịka anyị chọpụtara mgbe anyị naamụ iheọ̀mụ̀mụ̀ ahụ apụghị iwere aghụghọ dịka ihe kwesịrịekwesị n'ihi na oge niile ọ naalụpụta ụgwọọlụ nke ahụhụ na ịkwaụta n'ikpeazụ.

Ugbu a Jekob naahụ́ ahụhụ ọzọ maka mmehie nke okorọbịa ya, wee bụrụ onye ụmụ ya ghọrọ aghụghọ n'oge agadị ya, náeweta ihe ubi dị ilu maka mmehie niile ahụ (Jenesis 27:18, 19, 24, 35) "N'ihi na nkpuru ọ bula madu nāgha, nke ahu ka ọ gēweta kwa n'ubi" (Ndi Galetia 6:7).

Ihe niile mere nke dị n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a bụ mmalite nke ogologo oge "ọ̀zụ̀zụ̀" siriike nye nwaokorọbịa a bụ́ Josef. Chineke arọpụtawo ya dịka nwoke ọ tụkwasịrịobi ịnọchi ọkwa dị elu nime àtụ̀mààtụ̀ nke O nwere maka ndị Ya, bụ́ Ụmụ Israel. N'ezie Abraham, Aisak, na Jekob echèworị otú ọgbụgbandụ̀ nke mkwà ahụ bụ́ nke Chineke kwererị gaeji mezue. Eleghịanya ha ahụworị ọhù otú agbụrụ ha ji were nwayọ náabaụba n'ala Kenean, bụ́ Ala Mkwà ahụ, rue mgbe ha gaadị ike karị ndị bi n'ebe ahụ. Ma Chineke nwere àtụ̀mààtụ̀ dị iche. Ndị ya gaabụ ndị gaarịda rue Ijipt; ma mgbe ha hụsịrị ahụhụ nke ịbụ orù, ha gaapụta dịka otù mba, site ná nnapụta dị ukwuu bụ́ nke ha náagaghị enye onyeọzọ otuto ya maọbụghị Chineke. Josef bụ́ onye ahụ nke Chineke rọpụtara "idú" n'ijè a nke èzinaụlọ ahụ arọpụtaworo ijéru Ijipt ma bụrụ kwa onye ahụ nke Chineke gaesite n'aka ya gosi ike Ya nye mba ahụ nke náamaghị Chineke (Jenesis 45:5).

Ụmụnne Josef kpọrọ ya asì, ọ bụghị náání n'ihi na nna ya naegosi mmasị n'ebe ọ nọ, kama n'ihi na Chineke nyere ya nrò abụọ bụ́ nke ụmụnne ya kọwara na ọ pụtara na ha onwe ha na nnenanna ha gaakpọ isiala ná nsọpụrụ nye nwanne ha nke ntà, ihe náadịghị mgbe anụrụ ihe yiri ya ná mba niile nke ọwụwaanyanwụ. N'ebe ụfọdụ nọ ọ gaadị ka ọ bụ elezighịanya nke Josef kpatara ihe mere ka ụzọ ya sieike, náakpali ụmụnne ya ikwoekworo, ịkpọasị, na iji ya náeme kwa iheọchị, kama anyị matara na Chineke naeduzi ihe niile banyere ndụ nke Josef ma ihe niile ahụ bụ kwa otù akụkụ nke àtụ̀mààtụ̀ Chineke nye ndụ ndị nke Ya arọpụtara, bụ́ Ụmụ Israel (Jenesis 45:5-8). Nna ya baara ya mbà, ma otú ọ dị o debere okwu ahụ n'obi ya, eleghịanya náenwe ịnyaisi nke nnenanna banyere nwa ya nke ntà na ọ gaabụ onye gaachị ha niile (Luk 2:19). Emezuru nrọ ahụ niile dịka okwu ya si dị mgbe ọtụtụ arọ gasịrị (Jenesis 42:6; 43:26; 50:15-18).

N'oge ọzọ ụmụnne ya ndị okenye chịịrị ìgwèatụrụ rue Shekem ka ha taa nri. Ebe a ka Jekob zụtawororị site n'aka ndị Shekem bụ́ ebe ụmụ ya ndịkom tigburu óké ntigbu n'otù oge, ihe banyere ọdịmma ha naemetu kwa nna ha nke bụ agadị n'obi. Ọ matara na ọ bụghị ihe anaapụghị ịhụ́, na ndị bi nso obodo ahụ pụru ịgbalị ịbọ̀ọ̀bọ̀ n'ihi ogbugbu náenweghị obiebere ha gburu ndị Shekem ahụ. O wee zipụ Josef ijé hụ ma ihe niile banyere ha naaga kwa nkeọma. Nrubeisi Josef náetufughị oge, ọ bụ ezie na ọ bụ ijè siriike ebe Shekem dị ihe dịka irimaịlịisi (60) (maọbụrị kilometa iteghete na isii, 96) site na ndagwurugwu Hebron, ọ bụ ihe naegosi omume ọma ya. O wee chọpụta na ụmụnne ya ejéworị na Dọtan, ihe dịka maịlị asatọ n'ịdịanya, o wee chọrọ ha jee ịmata ihe banyere udo ha na iweghachiri nna ha akụkọ banyere ha.

Àtụ̀mààtụ̀ mbụ nke ụmụnne ya ahụ ndị jupụtara n'ekworo tụrụ, mgbe ha hụrụ Josef ka ọ naabịa, bụ igbu ya náetufughị oge; ma Reuben, bụ́ ọkpara, tụrụ arò ka atụba Josef n'olùlù ka ọ nwụọ n'ụzọ ime ka aghara ibo ha ebubo na ha wepụrụ ndụ nwaokoro ntà ahụ. Nke a bụ náání ihe ngọpụ Reuben meere onwe ya, onye amaara nnọọ nkeọma na ọ bụghị onye nsọ, dịka anyị pụrụ ịhụ́, n'ebe dị icheiche banyere ndụ ya n'oge gara aga -- kama ọ chọsiriike ịnapụta ndụ nwata ahụ ka o wee kpọghachirị ya nna ya náenweghị mmerụarụ. Dịka ọkpara Reuben bụ onye ihe niile banyere ya dị n'isi . Ihe ọjọọ adịghị n'obi ya dịka nke ndịọzọ, ndị ọ bụghị náání na ha tụbara nwanne ha ntà n'olùlù, kama náejikere kwa ịrapụ ya n'ebe ahụ ka ọ nwụọ n'agụụ na anwụ otiti, ma ha nwekwara ike ịnọdu ala ngwangwa rie iheoriri. Ụdị omume a naakọwa nzuzu na obiọjọọ bụ́ nke dị nime mkpụrụobi ha nke náenweghị ebere.

N'ikpeazụ Juda wepụtara àtụ̀mààtụ̀, nke ha niile nabatara ma ewepụ Reuben onye náanọghị n'oge ahụ, ka eree Josef nye ndị ijè náagafe ijé Ijipt; emesịa ka ha mee ka nna ha kwere na anụọhịa dọgburu nwaokorọbịa ahụ mgbe ọ naachọgharị ha n'ebe ahụ mmadụ náebighị na ya. Ma eleghịanya o chere na ha gaenweta ego n'otù aka ahụ napụta kwa onwe ha n'amamikpé nke gaapụta n'ọnwụ ya.

Emezuru àtụ̀mààtụ̀ ahụ mgbe Reuben náamaghị maọbụ kwa ịnata ike n'aka ya, ewee ree Josef baa n'ịbụ orù. Mgbe Reuben hụrụ na àtụ̀mààtụ̀ ahụ ya onwe ya tụrụ adịghị irè o wee rue uju maka nwanne ya nwoke ahụ furuefu ma otú ọ dị; o kwenyere ka aghụghọ ahụ gaa n'iru, wee jụ ikpughe eziokwu dị n'ihe ahụ nke mere. O mere ka nna-ya bụ agadi kwere na anụọhịa jọgburu onwe ya egbuwo nwa ya nke ọ hụrụ n'anya, ebe ọ bụ onye dị ndụ n'ala dị anya. Ọ dịghị onye nwere ike ịhụzu ụzọ ahụ dị egwù nke mmehie na aghụghọ pụrụ iduru ndị náeketa òkè na ya. Ụmụnne ya ndịa wee mee omume ịkwáèmò n'ịchọ ka ha kasie nna ha obi onye nwere nwuta; wee chọọ ka ha nwere onwe ha site n'ihere na ịtaụta ya, ha zobere akụkọ ahụ nke gaanapụtawo yarị ná nwute karịsịa.

Anyị hụrụ ihe yiri ibè ya n'ebe ndụ nke Josef na nke Onyenweanyị Jisọs bụ Ọkpara Nna ya hụrụ n'anya, Josef bụ kwa nwanwoke nna ya hụrụ n'anya. Ha abụọ nwere nrubeisi, ọbụná rue ọnwụ (Ndi Filipai 2:8). Ha abụọ bụ ndị ụmụnne ha rere náadịghị ihe ọjọọ ọ bụla ha mere wee nara mkpụrụ ego olenaole (Luk 22:3-6, 47, 48; Matiu 27:3-10). N'ihe banyere Josef ọ bụ nwanne ya nwoke bụ Juda (nke bụ Judas na Grik) tụpụtara àtụ̀mààtụ̀ ire ya, onye nwere otù aha dịka onye ozi nwanna onye rere Onyenwe ya na Nna ya ukwu.

Josef wee ghọọ ụzọ nke ụmụ-nne-ya --- na ụwa nke jupụtara n'ọtụtụ ndịọbịa -- pụru isi nwee nzọpụta site n'ọnwụ. Jisọs site n'ịrara Ya nye, na ọnwụ Ya, ghọọ Onyenweanyị na Onyenzọpụta nke ụmụnna Ya (Ndi-Ju) na

nke ụwa jupụtara n'ọtụtụ ndịọbịa nye ọgbụgbandụ mkwà ahụ. Nke a mere n'ụzọ abụọ ndịa site n'izuọjọọ nke nlelianya na mbibi.

Iheọzọ dị ụtọ yiri onwe ha bụ na ha abụọ nwere onye gbalịrị ịnapụta ha site n'ọnọdụ ọjọọ ahụ doroanya. Reuben chèpụtara àtụ̀màátụ̀ nke ọ gaeji napụta Josef site n'aka ụmụnne ya; Pita mịpụtara mmaagha ya ịnwa ịnapụta Jisọs site n'aka ndị ahụ bịara ijide Ya. Ma ha abụọ dara, ebe ọ bụ náánị ntụpụta nke échìchè mmadụ dịka òkìkè si dị. Óké àtụ̀màátụ̀ nke Chineke nke gafere àtụ̀màátụ̀ niile n'ọgbọ niile nye ndị Ya dabeere na Josef àtụ̀màátụ̀ niile ahụrụ n'anya nime ụwa mmehie.

Lee otú o si dị ebube bụ́ àtụ̀màátụ̀ nke Chineke! Lee otú o si dị ịtụn'anya bụ́ ụzọ esi kpughee ya nye ụmụmmadụ! Lee otú Chineke ji nwee mmasị n'ebe ọ dịmma nke ụmụmmadụ dị mgbe niile na n'oge nke akụkọ ụwa, nke mere na ọ naezitere ha agbamume site ná mkwà Ya dị icheiche agọziriagọzi, ọgbụgbandụ dị icheiche, iheatụ̀ dị icheiche, na ụdị ihe gaeme n'ọdịn'iru, ka ha ghara ịnọ náenweghị olileanya kama ka ha site n'ihe ndịa hụ Ụzọ ahụ, Eziokwu ahụ, na Ndụ̀ ahụ ka ewee napụta ha site n'ọkụmmụọ nke Ekwensu na ikpé awụsara nke gaadị ebighịebi.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee ọnọdụ Josef nwere n'ụlọ nna ya? Gịnị bụ aha nne ya?
2. Òlee ihe mbụ kpatara iro n'etiti Josef na ụmụnne ya?
3. Kọwaa ụzọ nrọ̀ abụọ ahụ nke Josef rorọ.
4. Ụmụnne ya hà chọrọ nkọwa banyere nrọ̀ niile ahụ?
5. Gịnị bụ omume nna ya gosịrị banyere nrọ̀ ahụ niile?
6. Òlee onyeọzọ, nime Baịbụl nụrụ okwu nke nwaokorọbịa ma náatụgharị ha n'obi ya?
7. Josef ò gosịrị iheàmà nwa mebiri emebi, onye nke naamaghị ihe ịdọakanántị pụtara?
8. Ònye ka eresịrị Josef ? Òlee ebe ka ha kpọgara ya ?
9. Òlee okwuụgha ụmụnne ya gwara Jekob?
10. Gosi otú i nwereike ihe yiri ibe ha n'ebe ndụ Josef na nke Kraist nọ.